# NNYOCHA ỤFỌDỤ ATỤMATỤOKWU NDỊ ODEE JI RỤỌ ỌRỤ N'EJIJE EZINDỤ SITE N'ATỤTỤ STAỊLISTIKS/SAYENSỊ AKANKA

Ugwuoke Ebere & Odada Solomon
Department of Linguistics Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
**ebere.ugwuoke@unn.edu.ng**

## Ụmị Edemede

Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nnyocha ụfọdụ atụmatụokwu n' ejije *Ezindụ* nke Mbaegbu, N.E, Anọzie, C.C, nakwa Umo, C. U, jikọrọ aka ọnụ dee. Ebumnuche ndị nchọcha a bụ ịchọpụtagasị ụfọdụ atụmatụokwu ndị odee a jiri rụọ ọrụ n'edemede ha site n'atụtụ staịlistiks bụ nke na-enyocha etu ndị odee si ewepụta nkamma dị n' ejịje. N'isi nke mbụ, ndị nchọcha wubere ntọala nchọcha ha, nsogbu ha chọpụtara, bụ ihe kpalitere mmụọ ha na nchọcha a, ebumnuche ha, oke na ọrụ nchọcha ha, usoro, ụdị, ngwa ọrụ na nhazi data nchọcha ha. N'isi nke abụọ, ha tulegharịrị ndịna n'isiokwu edemede a, nchọcha emerela gbasara isiokwu ma wube nchọcha ha n'atụtụ staịlistiks bụ nke ha hụtara dịka ụzọ ka mma ha ga-eji wepụta nkamma dị n'ejije Ezindụ bụrụkwa usoro kamma iji nyocha etu ndị odee siri jiri atụmatụokwu dị iche iche were rụọ ọrụ n'ime ejije Ezindụ. Na nchịkọta, nchọpụta gosiri na ndị odee jiri atụmatụokwu ndị a egosipụta isiokwu ejije ha bụ Ezindụ, ha jikwa atụmatụokwu zipụta agwa ma yinye ha akparamagwa gosịkwara na ndị odee jiri ekemekeuche ha hazikwaa akụkọ dị n' ime akwụkwọ Ezindụ, nke gbasara ụwa anyị nọ n' ime ya. Nke a malitere n' isi nke mbụ ruo na ngwụcha

**Igodo okwu:** *Agụmagụ, Ejije, Nnyocha, Akanka na Atụmatụokwu.*

## Abstract in English

This research article examines and analyses some figures of speech featured in the drama texts written by Mbaegbu, N.E., Anozie, C.C., and Umo, C.U. The aim of this research is to identify the different figures of speech used by these authors in the text by applying the theory of stylistics which amplifies the beauty in the drama. The methodology includes the use of research instruments. The primary sources of information are the drama texts. The researchers anchored their study in the science of stylistics which defines the beauty of drama. This led to the discovery of how the authors used figures speech in the text to enhance the beauty of the drama text. The findings of the study revealed that the authors used figures of speech to amplify the subject matter of the text. Figures of speech were

also used to explain the concept of characters and characterization. The study shows the creative abilities of the authors in the organization of the story which enhances the beauty of the writing.

**Mkpọlite**

Nghọta ndị nchọcha a bụ n’agụmagụ bụ ederede ma ọbụ ekwumekwu n'ụdị akụkọ, ejije maọbụ n'ụdị abụ nke dị n'ụdị pụrụ iche, nke e ji asụsụ nka dị ọkpụrụkpụ kọwapụta/depụta echiche maọbụ ihe dị mkpa na-eme n'obodo na ndụ mmadụ. Ya bụ n’ edemede akanka, odee na etu o si ewebata atụmatụ okwu dị nnukwu mkpa ime ka ndị mmadụ, maọbụ ndị na-ege, maọbụkwanụ ndị na-agụ ya nwee nnukwu mmasị ịgụ maọbụ ige agụmagụ.

N’ịkwado nke a, Emenyọnụ (1978:1) kọwara n’ agụmagụ dị n'Afrịka tupu ndị ọcha abịa. Ọ gara n’ ihu kọwaa na agụmagụ a dị n'ụdị agụmagụ akọrọ akọ. Nke a na-egọsikwa na agụmagụ na-esi n'aka fere aka agafere mba dị iche iche. Agụmagụ mba dị iche iche, na-apụta ihe n'omenaala nakwa site n'akparamagwa mmadụ na mba ahụ. Omenaala mba dị iche iche na- egosipụtakarị site n’ akụkọ ifo, akụkọ nkọmịrịkọ, nkọkịrịkọ, akụkọ ala, akụkọ odogwụ n’ ụdi okụkọ ọnụ na akparamagwa na-adị n’ ime akụkọ ahụ. Ihe ndị a niile bụ ikuziri ụmụaka na ndị okenye etu ha ga-esi bụrụ ezigbo mmadụ obodo nabatara nke ọma.

N’ịga n’ ihu, Egudu (1981:247), kọwara agụmagụ n’ aka nke ya dịka ekwumekwu ahụ e ji asụsụ nka wụọ ahụ iji kọwapụta echiche na mmetụta na ahụ odee nwere maka ihe mere maọbụ ihe ndị megasịrịnụ Nke a na- egosipụta na agụmagụ gụnyere nghọta odee bụ ihe gbasara etu odee siri kwuo okwu, ma ka o siri depụta mkpụrụokwu ya, ma ihe ndị o jiri kwuo okwu, ma akanka o jiri kwuo ya na atụmatụ okwu dị iche iche o webatara, na-eme okwu ya ka edemede kaa-akaa ma dịkwa ụtọ na ntị.

Obiechina (1990:182) mere ka anyị ghọta na agụmagụ so n'otu ihe mmadụ ji dị iche n'anụ ndị ọzọ e kere eke. O nweghi agbụrụ ọbụla na-enweghị akụkọ ha na-akọ gbasara otu ha siri malite ebimndụ ha. Nke a pụtara na agụmagụ malitere ozigbo ndị agbụrụ ahụ matara etu be ha siri dị. Ọzọkwa, agụmagụ malitere mgbe mmadụ malitere inwe mmekọrịta n'etiti onwe ha na mgbe ha nwere ike ịkparịta ụka ma kọwakwaa otu ha siri hụ ihe ụfọdụ dịgasị n'ebe ha bi. Ihe ndị a na- arụtụ aka n’ agụmagụ mmadụ bụ ebumpụta ụwa, nwata tote o tokwuru.

Nwadike (1992), kọwara agụmagụ n'ụzọ nghọta abụọ ; nghọta nke mbụ bụ nghọta izugbe ebe nghọta nke abụọ bụ nke ọrụ nka. Ọ kọwara nke mbụ na agụmagụ bụ ihe ọbụla dị n'ụdị ederede. N'ihi ya, ihe ọbụla dị n'ụdị agụmagụ mmụta dịka ederede fisiks, kemịstirị, akwụkwọ mgbakọ na mwepụ, akwụkwọ dị n'ime ọgwụ a zụrụ azụ nke na-akọwa etu e si

aṅụ ya, akwụkwọ Nsọ baịbụlụ na ndị ọzọ bụcha agụmagụ mmụta. Nkọwa Nwadike (1992), nyere ntuziaka ma mee ka anyị ghọta na e nwere agụmagụ ọzọ bụ:- agụmagụ ederede. Site na nkọwa Obiechina (1990:182) na Nwadike (1997), anyị aghọtala na e nwere agụmagụ abụọ:- akọrọnọnụ na ederede. Nke nwere aha izugbe dịka agụmagụ ọdịnaala na agụmagụ ederede. Site na nkọwa Obiechina (1990), anyị nwere ike ịkọwa agụmagụ ọdinaala dịka agụmagụ niile akọrọnọnụ bụ akụkọ ka ndị si hụ ụwa ha nọ n' ime ya. Ebe nke ederede bụ akụkọ niile edere n' akwụkwọ nke gbasara mmadụ na ụwa ha nọ n'ime ya. Nke a nwere nkwado Okebalama (2003), nke kọwara agụmagụ ọnụ Igbo dịka akụkọ ọdịnaala niile a na- akọ n'ọnụ, abụ niile a na- abụ n'ọnụ, akụkọ ifo, ilu, akpaalaokwu, agwụgwa na okwunka niile e nwere n' Igbo.

Nkọwa Nwadike (1992) nwere nkwado Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) bụ ndị kọwara agụmagụ dịka ọrụ nka nke sitere n' ekemekuche mmadụ pụta ma bụrụ nke a na- esite n' ime ya ezipụta ndụ na obibi ya ma nwekwaa ike ikụzi ihe dịgasị iche iche. Akaeze na ndị ọzọ (2021) gara n' ihu kọwapụta agụmagụ dịka ọrụ nka dịka agụmagụ sitere n' ekemeke uche maọbụ ihe mmadụ hụtara maọbụkwanụ mụtara na ndụ ma bụrụ nke e jiri asụsụ a họrọ ahọ depụta. Nkọwa nke abụọ bụ nkọwa Nwadike (1992) na- egọsipụta agụmagụ dịka ihe ọmụmụ bụ ọrụ nka nke echepụtara echepụta, ma jiri asụsụ nka chọọ ya mma.

**Nsogbu nchọcha**

N'agbanyeghị naenweela ọtụtụ ihe nchọcha n'akwụkwọ ejije ***Ezindụ***. N'echiche nke ndị nchọcha a, ha echeghị na onweela onye jirila atụtụ staịlistiks/sayensị akanka nyochaa atụmatụokwu dị n'akwụkwọ a. Ya mere ndị odee jiri kpebie iji atụtụ a nyochaa atụmatụokwu ndị odee jiri rụọ ọrụ n' ejije a.

**Ebumnuche nchọcha**

Mbumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ọtụtụ atụmatụokwu dị n'edemede ejije ***Ezindụ.*** Etu ndị odee si jiri atụmatụokwu ndịa rụọ ọrụ n'edemede ha**.**

**Oke nchọcha**

Nke a mgbadoro ụkwụ n'iwepụta ụfọdụ atụmatụokwu dị n'akwụkwọ ejije *Ezindụ* nke Mbaegbu Nnamdi Ebenezer, Christian Chukwudi Anozie, nakwa Clara Uju Umo dere. Atụmatụokwu a ga-agbadọ ụkwụ n'ilu, akpalaokwu, myiri, mbụrụ, egbe okwu na ajụjụnzaraonwe.

**Uru nchọcha**

Nchọcha a,ga- abara anyị nnukwu uru n'ụzọ dị iche iche nke gunyere ndịa:-

- Ọ ga-enye aka ịmata ọtụtụ ebe akwụkwọ ejije a ji daba nke ọma na ndụ mmadụ site n’atụmatụokwu ndị odee ji tee ya ude.
- Ọ ga-eme ka ndị na-amaghị ihe bụ atụmatụokwu mara ya ma matakwa atụmatụokwu ndị odee ji arụ ọrụ.
- Ọ ga-eme ka ndị ọzọ na-eme nchọcha nwe ike ileba anya n' atụmatụokwu dị na agụmagụ ma nye ndị ọgụụ nkọwa gbasara atụmatụokwu ahụ ka nghọta ya dị mfe.
- Ọ ga-emekwa ka nnyocha akanka ghara ịbụ ihe e chefuru echefu n'ihe gbasara agụmagụ.
- Ọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ nọ na ngalaba lingwistiiks na asụsụ Igbo; ndị na-amaghị ka e si agụpụta Igbo tinye uchu n'ịmụta ya.
- Ọga-eme ka ndị chọrọ imepụta maọbụ depụta agụmagụ ejije nke ha hụ ihe dị mkpa nke ha ga- agbado anya were na-eme ya.

**Usoro nchọcha**

Ọ bụ usoro ọkacha mma sekọndịrị nke gunyere nchọcha emere n’ọba akwụkwọ dị iche iche ka eji mee nchọcha a. Atụtụ nchọcha gbasoro bụ atụtụ staịlistiks (stylistics approach). Atụtụ a ka Ụzọchukwu (2012) kọwara n’amụmamụ akanka na-abụkarịnka etu ode asụsụ si ewepụta nkamma site na ndaba maọbụ ndacha asụsụ.

**Ụdị nchọcha**

Ụdị nchọchabụ ihe ga na-agbaziri onye na-eme nchọcha ụzọ ọ ga-esi na- eme nchọcha ya maọbụ ihe ọ gbadoro ụkwụ na-eme nchọcha. Ihe a gbadoro ụkwụ n'ihe ọmụmụ a bụ nnyocha atụmatụokwu. Ụdị nchọcha a agbadoro ụkwụ n’ihe ọmụmụ a bụ nnyocha. Ọ ga-adị n’ụdị nkọwa nke ga-enyere ọchọcha aka inyopụtacha atụmatụokwu dị n’***Ezindụ*** nke Mbaegbu Nnamdi Ebenezer, Christian Chukwudi Anozie, na Clara Uju Umo jikọrọ aka ọnụ wee dee.

**Ngwa ọrụ nchọcha**

Ngwa ọrụ e ji mee nchọcha gụnyere; akwụkwọ ejije ***Ezindụ*** nke ndị ọkà mmụta, Mbaegbu Nnamdi Ebenezer, Christian Chukwudi Anozie, nakwa Clara Uju Umo jikọrọ aka ọnụ wee dee, arụmọrụ prọjetị ụfọdụ, akwụkwọ ụfọdụ gbasara agụmagụ nakwa ozi enwetara n'ọwa ozi ịntaneetị.

## NTỤLEGHARỊ AGỤMAGỤ

### Mkpọlite

Na nkebi nke a, anyị ga-eleba anya n’ịtụlegharị ihe ndị a: ntụlegharị isiokwu nchọcha, atụtụ nchọcha, ọrụ ndị arụrụla banyere nchọcha, atụtụ nchọcha gbasoro, na nchịkọta ntụlegharị agụmagụ.

Ntulegharị isiokwu

Isiokwu ndị a ka anyị ga-atụlegharị maka ezi nghọta. Ha gunyere:-Nnyocha, Agụmagụ,Ejije, Akanka, na Atụmatụokwu.

**Nnyocha**

Reeves (1979) kọwara nnyocha na ọ bụ nkwọ mgbazi dị n'agụmagụ n'ụzọ ileba anya n'ihe edemede na-ekwu maka ya; nhazi akụkọ, nkaasụsụ nke e jiri dee agụmagụ ejije, akparamagwa ndị akpọrọ aha, omenaala ndị pụtara ihe n'ihu ọhanaeze na agbụrụ, ndehie, isiokwu, ntọala akụkọ na nchịkọta. Ngara (1982) kọwara nnyocha sị na ọ gbadoro ụkwụ n'ụkpụrụ ndị ahụ na-esite n'iji asụsụ dị mma wee wepụta mma ejije ma nyekwa ohere ka enwee ike gaa n'ihu inyocha ihe ndị ọzọ ga-enye aka iwepụta nkamma ejije dịka; nhazi agwa, keesirihụ olu, nhazi akụkọ na ekemekeuche.

Nnyocha dịka Nwadike (1992) si kọwaa na ọ bụ mmadụ iji anya okenye ji ele ihe dị n'akpa ogologo wee leba anya n'agụmagụ iji chọpụta nke ọma ebe ya bụ edemede nọrọ kwesi ekwesi maọbụ ebe ọ nọrọ rie mperi. Nwadike (1992) kọwakwara nnyocha dịka ihe dịirị onye na-eme nchọcha nke ọrụ ya bụ ikuziri ọhanaeze ihe ndị ha na-amaghị maọbụ ndị nke na-edochaghị ha anya. Na nchikọta, Reeves (1979), Ngara (1982), Nwadike (1992), mere ka anyị ghọta na ihe ndị a na-eleba anya mgbe a na-eme nnyocha gunyere ihe edemede na-ekwu maka ya, nhazi akụkọ, asụsụnka e jiri wee dee ya, wdg. Ọzọkwa, nke a pụtara bụ na site na nnyocha, onye na-eme nnyocha na-asa anya mmiri oge ọ na-agụ edemede ọ ga-enyocha iji wepụtachaa ma turie ihe ndị mebere ya bụ edemede. Onye na-eme nnyocha na-enwe ike wepụtacha ihe onye nkịtị na-agaghị enwe ike ihụtacha banyere edemede ahụ. Ọzọdị ka ibe ya, onye ntụcha bụ onye mgbaama n'agụmagụ nke na-akọwapụtara ọhanaeze ihe ndị zoro ezo n'agụmagụ n'ụdị ka o doo ha anya. Nwadike (1992) kọwakwara uru nnyocha bara n'agụmagụ; ụfọdụ n'ime uru ndịọ kọwapụtara bụ na site na nnyocha maọbụ ntụle, ndị na-amaghị maka agụmagụ ahụ na-amata maka ụfọdụ ihe ndị zoro ezo gbasara agụmagụ naonye dere ya na-apụta ihe. Ọ na-eme ka onye gụrụ ya ghọta ya nke ọma karịa ka ọ ghọtara ya n'izizi.  na-enyezikwa aka ịchọpụta ihe ndị odee deghere, ebe agụmagụ ya nọ kwesi ekwesi na ebe ọ nọ rie mperi.

Uzọchukwu (2012) kọwara na nnyocha agụmagụna-eleru anya na nsikwu, nsichaa, ntụle, na  nkọwa agụmagụ. ọ kọwakwara na ndị izizi tunyere aka n'ihe ọmụmụ dị etu a bụ ndị**Greece**  bụ obodo ahụ a maara mgbe ochie maka mmụta dị iche iche.

Na nchịkọta, nnyocha agụmagụ bụ iji usoro akanka dị iche iche nyochapụta otu  odee/ndị odee siri jiri echiche ha kpọọ agwa/akparamagwa n'edemede maọbụ agụmagụ iji kuziere ndị mmadụ ihe.

**Agụmagụ ederede**

Nwadike (1998) kọwara agụmagụ ederede dịka agụmagụ nke e deturu n'akwụkwọ nke mmadụ nwere ike ịzụta ma gụọ n'onwe ya. Ọ kọwara agụmagụ ederede na mmadụ anaghị eche ka ọkọ akụkọ, ọkpụ abụ maọbụ ogosi ejije n' abụ. Ọ hụtakwara agụmagụ ederede n'ụzọ nghọta abụọ: nghọta izugbe na agụmagụ dịka ọrụ nka. Na nghọta izugbe, agụmagụ metụtara ihe ọbụla dị n'ụdị edere ede nke gunyere ihe amụmamụọbụla dịka; Sọm, akụkọ ala, kemịstrị, wdg. Agụmagụ dịka ọrụ nka ma bụrụkwa nke nghọta ya pụrụ iche bụ nke e sitere na ya na-akọwapụta ma na-ahụ ndụ. Agụmagụ dịka ọrụ nka nwere ngalaba atọ nke gunyere: iduuazị ejije, na abụ.

Okoye, (2009) kọwara agụmagụ dịka echiche miri emi nke mmadụ chepụtara maka mmadụ, obodo maọbụ ihe ọbụla e nwere ike ichepụta maka ya. Ọ kọwara na e nwere ụzọ ngalaba agụmagụ abụọ: agụmagụ akọrọ n'ọnụ (ọdịnaala) na agụmagụ ederedere (ugbua). Nkọwa Okoye, (2009) na- egosi na agụmagụ ọdịnaala sitere n'aka nna nna anyị ha. Enweghị onye ga-asị na ọ bụ ya nwe ya. Edetughị ya n'akwụkwọ. N'aka nke ọzọ, agụmagụ ederede bụ nke edere n'akwụkwọ,odee chepụtara ya n'echiche ma depụta ya etu o si masị ya. Dịka o si metụta nnyocha anyị na-eme, ọ bụ agụmagụ edereede ka anyị gbadoro ụkwụ inyocha akwụkwọ ejije ***Ezindụ*** .

**Ejije**

Nwadike (1992) kọwara ejije dịka njije nke mmadụ na-ejije ekere. Ọ bụ mmadụ iṅomi ihe ekere eke. Ọ gara n' ihu kọwaa ejije dịka ụdị agụmagụ emebere maka ogo na nkwago ebe ndị na-emepụta ejije na-ewere ọnọdụ dịka agwa, mee ihe mmepụta ma kwuo ihe a na-ekwu n'ụdị mkparịtaụka.

Ikeokwu na Onyejiekwe (2004) n'ikwado ihe Nwadike kwuru, kọwara ejije dịka njije ihe mmadụ na-abụghị. Nkọwa a gosiri na nwoke nwere ike iṅomi nwaanyị maọbụ nwaanyị iṅomi nwoke maọbụ mmadụ iṅomi anụmanụ. Ha kọwara na isi sekpu ntị n'ejije bụ emere eme. Emereme metụtara ndụ na obibi ya. Ikeokwu na Onyejiekwe (2004) hụtakwara ejije dịka ijije ọnọdụ, ọdịdị, agwa maọbụ mmadụ. Ya bụ mmadụ ijije ihe ọbụghị. Nke a gosiri na isi ahụrụ kwaba okpu n'ejije bụ"njije/nṅomi". Ya bụ na ọ bụrụ na o nweghị ihe a na-ejije, agaghị enwe ejije. Nke a pụtara na ihe ndị mejupụtara ejije bụ ndị ngosi/mmee (agwa/akparamagwa) ndị nkiri, obom/ebe mmepụta, mkparịtaụka/asụsụ, nhazi akụkọ/plọọtụ. A na-ahụtakwa ejije dịka ngalaba agụmagụ nke nwere ọtụtụ njikọrọ alaka metụtara ọtụtụ dị iche iche.

Nkọwa Ikeokwu na Onyejiekwe (2004) na- enye ntụziaka ejije gunyere; ndịmmee, odee ejije, onye ntuziaka, onye ndozi nkwago, onye na-ahụ maka ọkụ, ọkụzi egwu, wdg. Ya bụ

na ejije bụ nka agwakọtara ọnụ n'ihi na ọ na-ejikọta mkpụrụokwu nke odee ejije dere, tunyere ekwumekwu na mmegharị ahụ ndị mmee ma were egwu nke onye ọkpụ abụ nakwa ụkwụ egwu onye ọkụzi egwu iji zipụta emereme.

**Akanka**

Nwadike (1992) kọwara akanka (stylistics) dịka **sayensị** nke na-achọpụta usoro e si ede agụmagụ. Ọ gara n'ihu n'ịkọwa ya dịka ihe ọmụmụ nke na-akọwapụta etu e si ede ya bụ agụmagụ, bụ nke ọ kọwara n' ihe di mkpa e ji amata akana ode bụ etu o si webeta atụmatụokwu, di iche iche n' edemede maọbụ agụmagụ ya. Ọzọkwa mgbe ọbụla ọgụụ gụrụ edemede maọbụ agụmagụ, ọ na-enwe ike ịmata onye dere edemede ahụ maọbụ agụmagụ ahụ site n' etu ode si ede edemede ya. Akanka bụ etu onye odee si ede edemede ya maọbụụzọ dị iche iche ndị odee na ndị mmụta si edepụta maọbụ akọwapụta echiche ha. Ndị odee ọbụla dị iche iche nwere akanka e ji mara ha nke na-eme ka ha dị iche n'etiti onwe ha. Ụzọchukwu (2012) kọwara na ọmụmụ akanka agụmagụ na-abụkarị maka etu asụsụ si ewepụta nkamma site na ndagba maọbụ ndacha asụsụ. ọ kọwara na akanka agụmagụ na-enwere asụsụ ka ihe nhọrọ. O kwukwara na nke a ga-ewe anya mgbe anyị chetara na ihe ọmụmụ dị iche iche nwere asụsụ dabara e ji amụ nke ọbụla. Ya bụ, e nwere asụsụ dabara n'agụmagụ, nwee nke dabara n'ekpemekpe, nwee nke dabara na sayensi na nkanụzụ. Nke a gosiri na akanka bụ njirimara odee n' ime edemede ya.

**Atụmatụokwu**

Atụmatụokwu dị oke mkpa n'agụmagụ ọbụla. Ọ bụ otu n'ime nkaasụsụ dị oke mkpa n'agụmagụ. Ọ bụya na-eme ka agụmagụ nwee ebube. Nwadike (1992) kọwara atụmatụokwu dịka ihe dị oke mkpa nye onye odee n'ihi na odee kọchagodi ezigbo akụkọ ma asụsụ ya daa ogwu, o teela ofe dị oke ọnụ nnu na-adịghị na ya. Asụsụ ya kwesiri ịdị mfe, doo anya n'ebughị apa mma n'otu ebe maọbụ ọzọ. Ọzọkwa, ọ kọwara na odee ga-ebu n'uche ndị ọ na-edere akwụkwọ ka o wee mara asụsụ ọ ga-eji. Ịmaatụ, ọ bụrụ na ọ bụ ụmụaka ka o bu n'obi ga-agụụ akwụkwọ ya, ọ ga-eji asụsụ dị mfe nke ha ga-aghọta n'enweghị mgbagwoju anya. Mana ọ bụrụ ndị okenye, odee kwesiri ịma ụdị asụsụ ọ ga-eji.

Uba (1991) kọwara atụmatụokwu dịka isi sekpu ntị n'ebe ihe gbasara agụmagụ nọ. Ọ gara n' ihu kọwaa na ewezuga atụmatụokwu dị iche iche, agụmagụ agaghị enwe isi. Ọ bụ atụmatụokwu bụ ụdọ ji agụmagụ; nke e kwụrụ n'ọnụ ma nke e deturu edetu. Nke gosiri na ọ bụkwa isi ahụrụ kwaba okpu n'ihe gbasara agụmagụ. Atụmatụokwu bụkwazi otu ụzọ dị ọkpụrụkpụ omenka si ezi ozi. Ọ bụ atụmatụokwu ka eji eziputa ihe odee bu n'uche dịka o siri gbata kwụrụ n'agụmagụ ederede. ọ bụkwa atụmatụokwu ka a na-ejikari ezipụta nkamma dị n'agụmagụ.

**Ntụlegharịọrụ ndị arụrụla banyere isiokwu**

N'ebe ndị nchọcha nyochara ihe ndị nchọcha ọzọ merela gbasara isiokwu.
Oruada (1987) nyochara ejije ***Akwa Nwa*** nke Chukwuezi dere wee kwuo na nkaasụsụ odee webatara n'ejije ya kwalitere agwa ya niile ebe ọ dị ukwuu. Isiokwu nchọcha bụ ịmata uru nkaasụsụ dịka ihu nke bụ ewepu ya n'edemede, ọ gaghị adị mma ma ọ bụ nwe ezi nghọta. Myiri dị na ntụcha Oruada (1987) na nke anyị bụ na ha abụọ gbadoro ụkwụn'inyocha akwụkwọ ejije. Ebe ndịiche dị na ha bụ na Oruada gbadoro ụkwụ na nkaasụsụ odee webatara n'ejije ya. Mana nke anyị na-eme gbadoro ụkwụ n' atụmatụokwu ụfọdụ ndị odee Ezindụ ji rụọ ọrụ na nchọpụta gosiri na nkaasụsụ bụ mma agụmagụ.

Ụba (1991) tụchara akparamaagwa, nkaasụsụ na ọrụnka dị n'ejije***Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ***nke I. U. Nwadike dere, wee kwuo na asụsụ Igbo ya bụ nke dị mfe ma nwekwaa ezi nghọta. ọ gara n'ihu kọwaa etu e si egosipụta agwa ndị dị n'ejije ebe ọ ga-edo ewu na ọkụkọ anya. Nkọwa ya gbadoro ụkwụ na nkaasụsụ ya enweghị atụ. Myiri di na ntụcha abụọ ndị a bụ na ha abụọ bụ ọrụ ejije mana ndịiche bụ akwụkwọ e jiri rụọ ọrụ.

Alamba (1995) mere nchọcha akanka Fidelis Ihentuge n'akwụkwọ ya bụ ***Isi Kote Ebu***,ojiri akanka mbunuche rụọ ọrụ ntụcha. Edemede ya dum na-agbado ụkwụ n'omenaala, nkatọ agwa ọjọọ ndị mmadụ, ime ihe ziri ezi, dgz. Ọchọcha a chọpụtara na odee Fidelis atụghị ilu ya aghara aghara kama ha dabara adaba n'ihe nkọwa ya. Ahịrịokwu ya na-adịkwa mfe. Nke gosiri na Fidelis abụghị onye okee ilu atụtụ.

Nchọpụta Alamba (1995) na- egosi n' odee, gwakọrọ ***N'isi Kote Ebu***Igbo izugbe, olu Ọnịcha na nke olundị. Nke a ka ọ kpachapụrụ anya were, iji mee ka agụmagụ ya dịiche. Odee n'edemede ya anaghị akọwacha ilu ya dum. Nke a ka o mere iji na-akpọlite mmụọ na amamihe ọgụụ ka ha jiri aka ha chọpụta ihe ha pụtara.

Nke a pụtara na odee agụmagụ nwere ike iji olundị wee dee agụmagụ ya nke na-eme ka edemede ya tọọụtọ n'ihi na oge ụfọdụọ ka mma ikọwa ihe n'olundị ka mpụtara ya wee daba nke ọma ma tọọ ụtọ. Myiri dị na ntụcha Alamba na nke anyị bụ na ha abụọ gbadoro ụkwụ n'akanka agụmagụ. Ebe ndịiche dị na ha bụ na Alamba lebara anya n'akwụkwọ iduuazi ***Isi Kote Ebu***, mana nke anyị lebara anya n'akwụkwọ ejije ***Ezindụ.***

Ndụkaụba (2002) mere nchọcha gbasara Ọdịlọra n'akwụkwọ ya bụ ***Ọkpa Akụ Eri Eri.*** Isi sekpu ntị nchọcha ya bụ nchọpụta omenaalaIgbo di iche ichepụtara ihe n'Ọkpa Akụ Eri Eri. Nchọcha a jiri atụtụ akanka rụọ ọrụ. O gosiri na Mz Ọdịlọra ji Igbo izugbe gwọ ahịrịokwu ya ngwọngwọ na-atọ mmadụ n'ụbụrụ n'akwụkwọ a. Etu a ka ọ dị site na mbido akwụkwọ a ruo na ngwụcha ya. ọ kọwakwara na o ji ilu tee akwụkwọ ya uri ọma n'ahụ. ọ kọwakwara na ilu ndị ahụ dabara nke ọma. N'ebe a, Ndụkaụba na-akọwa na

odee Ọdịlọra maara asụ Igbo nke mere o ji were ya dee akwụkwọ ya n'ụzọ dabara adaba n'ahịrịokwu ndị o jiri. O jikwa ilu chọọ akwụkwọ ya mma n'ụzọ dabakwara adaba, Ọ bụ Ọkpa Aku Eri Eri ka o ji rụọ ọrụ ma nke a bụ ***Ezindụ*** nke Mbaegbu, Nnamdi Ebenezer,Christian Chukwudi Anozie nakwa Clara Uju Ụmọ jikọrọaka ọnụ wee dee ka e jiri mee ngwaọrụ.

**Atụtụ nchọcha gbasoro**

Nchọcha a gbasoro atụtụ staịlistiks/sayensị akanka n'ihi na ọ bụ ya kacha kọwaa ihe a na-eme maka ya. Atụtụ ntụcha nke ndị Lingwistiksi na-ewebata n'agụmagụ bụ nke a na-akpọ nnyocha staịlistiks maọbụ sayensi akanka. Sayensị akanka bụ njikọrọ akanka na sayensi asụsụ. Akanka bụ ihe jikọtara ọkammụta asụsụ (linguist) na odee (author). Akanka bụ ejirimara onye. Sayensị akanka bụkwa amụmamụ ejirimara onye. Ọ bụkwa ụzọ ihe ndị ahụ na-ekewa odee na odee ibe ya ma zipụta mma na ndịiche pụtara ihe n'ọrụ ha. Sayensị akanka bụ iji ụzọ sayensi asụsụ ma lebanye anya n'akanka dịgasị iche iche nke nwere ike imetụta ndịọkaikpe, ahụike, ekpemekpe maọbụ agụmagụọrụ nka. Ebumnobi akanka bụ ilebanye anya etu esiri were asụsụ rụọ ọrụ n'ụzọ dịgasị iche iche.

Nke a mere Lukas (1955) jiri kọwaa akanka dịka iji asụsụ rụọọrụ n'ụzọ pụrụ iche dịka n'ọdịnigha (prose fiction) iji wube mkpụrụokwu maọbụ kpalie mmụọ. Akanka metụtara asụsụ agụmagụ ebe e nwere ike ilebanye anya n'akanka onye odee nakwa usoro ya bụ onye odee si ezipụta echiche. Nke a pụtara na akanka na-enyere anyị aka ịmata ozi dị n'ọrụ asụsụ onye odee agụmagụ. Nke a bụ eziokwu n'íhi na sayensị akanka metụtara nlebanye anya n'ebe ihe gbasara ụtọasụsụ nghọta mkpụrụokwu nakwa mkpụrụụdaasụsụ.

Nwadike (1992) kọwara akanka (stylistics) dịka **sayensị** nke na-achọpụta usoro e si ede agụmagụ. O gara n'ihu n'ịkọwa ya dịka ihe ọmụmụ nke na-akọwapụta etu e si ede ya bụ agụmagụ. Ihe dị mkpa e ji amata akanka odee dịka ọ kọwakwuru bụ site n'olu okwu ya. Ya bụ na mgbe ọbụla mmadụ gere ntị n'olu okwu onye ọbụla, ọ na-enwe ike ịmata onye na-ekwu okwu ahụ maọbụrụ na onye na-ege ntị mara onye ahụ na-ekwu okwu. Odada (2016) kọwara akanka dịka etu onye odee si edepụta edemede ya maọbụ ụzọ dị iche iche ndị odee na ndị mmụta si edepụta maọbụ akọwapụta echiche ha. Nke a gosiputara na ndị odee ọbụla dị iche iche nwere akanka e ji mara ha nke na-eme ka ha dị iche n'etiti onwe ha.N' nchọcha, ndị nchọcha ga-agbado ịkọwa nka nke gbadoro ụkwụ na mmadụ niile nwere nka maọbụ usoro ha si eme ihe nke dịwagara iche n'ebe mmadụ ndịọzọ nọ. Ha ga-ewepụta ihe pụrụ iche mere ka Ejije Ezindụ dị iche n'ebe ejije ndị ọzọ nọ. Nke a mere na ndịọrụ ntụcha ọrụ agụmagụEzindụ nwere ike iwepụta agụmagụ ndị iche dị na Ezindụ na udị ọzọ. Nke a gosiri onwe ha site na nkọwa ndị odee jiri rụọ ọrụ nke ndị nchọcha depụtara. Ha gụnyere ihe ndị a:-

**Ntụcha Data**
**Ilu**

Ka anyị lebazie anya n' ụfọdụ ilu ndị odee jiri rụọ ọrụ n'akwụkwọ ejije a bụ ***Ezindụ*** nke anyị na-enyocha. Ha gunyere ndị a:

a. **Ugochukwu:** Akụ fechaa, ọ daara awọ. (ihu 16)
b. **Onyeisi òtù nzuzo:** A naghị agwa ochi ntị na ahịa esula. (ihu 75-76)
c. **Ọlụchi:** …ebe nwatakịrị na-ebe akwa atụ aka, ma nne ya anọghị ebe ahụ, nna ya ga-anọrịrị ya. (ihu 77)
d. **Obinna:** Onye chọrọ ọlaedo na-egwumi ala nke ọma. (ihu 16)
e. **Ugochukwu:**…ihe metutara anya emetutala imi. (ihu 39)
f. **Bunmi/Dkt Ihuọma:** Ugbua abụghị oge mmadụ na-anọ na mmiri ncha abaa ya anya. (ihu 43/29)
g. **Ọlụchi:** Nke onye amaghị, ọ bụ ibe ya na-ezi ya. (ihu 51)
h. **Eze:** Anyị ga-eme ngwangwa meghara ọdachi tupu mmanụ awufuo. (ihu 74)
i. **Ikpendụ:** Kedụnụ ka eke si anya anwụ? (ihu 95)
j. **Ọlụchi:**…ihe agba n'aka e jighị enyo ele ya. (ihu 107)
k. **Ọlụchi:**…ụda akịilu adịghị ka ụtọ ya. (ihu 97)
l. **Nwosu:** Ihe karịrị abụzụ bịakwutere ya n'ọnụ. (ihu 104)
m. **Obinna/Eze:** …were ehihie chụwa ewu ojii. (ihu 23/74)
n. **Obinna/Dkt Ihuọma:** {mara asụ sụọ n'ikwe; ma ị maghị asụ sụọ n'ala. (ihu 23/26)
o. **Onyeisi:** ọ ga-eji ọbara ya kwụọ ụgwọ. (ihu 75-76).
p. **Bunmi:** ọ mabeghị onye ọ na-akpa nkụ n'ubi ya. (ihu 37)

Site n' ilu ndị a, nchọpụta gosiri n' ilu Igbo bụ okwu amamihe na-adị omimi ma bụrụkwa nke na-ezipụta echiche na nkwenye ndị Igbo banyere ihe dị iche iche ọkachasị ihe ndị metutara obibi ndụ, akparamagwa, na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ilu nwere amamihe zoro n' ime ya, ọ bụghị etụ esi edepụta ya ka nghọta ya dị.Ya bụ nailu so n'ọkpụrụkpụ atụmatụokwu nke ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ilu na-adịkwa n'ụdị ahịrịokwu zuru oke ma sie ike na nghọta.

**Ọmụmatụ**
Atụmatụ okwu ọzọ n' akwụkwọ ejije Ezindu bụ:-

**Akpaalaokwu**

Ụfọdụ akpaalaokwu ndịa ka anyị chọpụtara n'ejije ***Ezindụ***nke anyị na-enyocha;

1. **Ọlụchi:** O ji ọkụ egwu egwu (ihu 37,82)
2. **Bunmi:** A na-enwenu obodo enwe. (ihu 41)
3. **Eze:** Ka anyi were ire anyị gụọ eze anyi ọnụ. (ihu 45)

4. **Bunmi:** Anaghị amụ akaekpe na nka. (ihu 98,110)
5. **Ọluchi:** mmiri amaala mmanwụ (ihu 97)
6. **Dkt Ihuọma:…** wepu aka enwe n'ofe. (ihu 108)
7. **Nwadike:** kụọla afọ n'ala. (ihu 105)
8. **Ọluchi:** Nwoke a nwara ike ya imegide Ngọzị. (ihu 106)
9. **Obinna:** Tachie(ihu 16)
10. **Bunmi:** Ugo eberela na mgbagbu. (ihu 35)
11. **Dkt Ihuọma:** Mgbe anya gi mepere (ihu 56)
12. **Ikpe ndụ:** Oke ajụla azụ (ihu 62)
13. **Ugochukwu:** Aka m na ụkwụ m apụọla n'òtù ahụ (ihu 59)
14. **Eze:** Mmiri amaala ehi n'anya (ihu 74)
15. **Onyeisi ụmụakwụkwọ:** ọ bụ ya tinyere ọkụ a na-erenu. (83-84)
16. **Ọlụchi:** Obi tara ya mmiri. (ihu82)

Site n' akpaalaokwu ndị a, nchọpụta gosiri na akpaalaokwu bụ usorookwu na-etinye nghọta dị omimi n'ahịrịokwu. Ọ na-adị ka ilu n'inwe echiche miri emi. Ndị iche n' ilu na akpaalaokwu bụ na Ilu na-abụ ahịrịokwu ebe akpaalaokwu na-adị n'ụdị nkebiokwu. Nghọta ya na- apụ iche na nghọta okwu ejiri mepụta ya. Ọ bụkwa okwu miri emi eji eme ka okwu maa mma, tọọ ụtọ, sie ike ma nwekwa ndụ zuru ezu. Onye Igbo ọbụla na- eji akpaalaokwu ekwu okwu kwa ụbọchị. Mmadụ kpawa ụbụbọ, ọ na- adabata ya n'ọnụ n'amaghị ama mgbe ụfọdụ. Ọ bụ inyocha mmadụ ka akpaalaokwu na- enyochakarị.

**Myiri**

Ụfọdụ omụmatụ myiri pụtara ihe n'akwụkwọ ejije a bụ ndị a:-

1. **Ọlụchi…**aga m enwere ndụ m banye n'ime Kraịst dịka mmadụ sị abanye akwa na mmiri (ihu 98)
2. **Dkt Ihuọma:** Adibu m ka onye kpuru isi (ihu 109)
3. **Ugochukwu:** Adị m ka onye mmanya na-egbu (ihu 14)
4. **Obinna:** Ọ dị ka anyanwụụtụtụ (ihu 15)
5. **Ugochukwu:** Agbara m mbọ ka dimkpa (ihu 15)
6. **Ugochukwu:**Ọ kpara agwa ka ihe ga-enwe isi (ihu 15)
7. **Ugochukwu:**Ọ dị ka onye si na mmiri pụta (ihu 22)
8. **Dkt Ihuọma:** Achọrọ m ebe dara jụụ m ga-anọ kpasara achara ugo dịka gị nkata (ihu 27)
9. **Dkt Ihuọma:** … ị na-akpa agwa ka nwata (ihu 55)
10. **Nwosu…**Aana m eme ya ka ndịọkwa mgbọ (ihu 91)
11. **Ugochukwu:** Nwoke adịghị mma isa ahụ ka nwaanyị nọ n'ọmụgwọ (ihu 91)
12. **Ọlụchi:**Ọbụrụ gị ga-akpọpe ka pọmpụ mmiri ndị Agba Umana (ihu 107)
13. **Ngọzị….** Ngọzị ezowe ka mmiri n'ahụ gị niile (ihu 8)
14. **Dkt Ihuọma**:… nwa ọma dịka gị kwesịrị ihe ọma (ihu 29)

Site n' ụfọdụ myiri ndị a pụtagasịrị ihe n' ejije Ezindụ, nchọpụta gosiri na myiri na-egozipụta ihe eji atụnyere ihe n'asụsụ Igbo. Myiri na-egosi ka ihe si wee yie ihe. Ọ bụ **'dị ka'** na **'ka'** ka e ji egosị myiri.

**Mbụrụ**

Lee omụmatụ ụfọdụ mbụrụ anyị chọpụtara n'akwụkwọ ejije a bụEzindụ:

f) **Ugochukwu**:… ọ bụ Ebere Chineke ka m jiri nwee ike lọta ụlọ (ihu 14)
g) **Ugochukwu**:… nwatakịrị ahụ bụ igwe (ihu 15)
h) **Ugochukwu**: Nwata ahụ bụkwanụ asa (ihu 22)
i) **Nwosu**: Aribala m ya bụ anụọhịa n'ime (ihu 95)
j) **Nwosu**: Ya bụ nwata bụ anụ mpama (ihu 96)
k) **Dkt Ihuọma**: Ama m na ị ma na ị bụ nwata akwụkwọ m (ihu 26)
l) **Ngọzị**:… ahụ anyị bụụlọnsọ Chineke (ihu 57)
m) **Dkt Ihuọma**: Gị bụ nwata bu nna ya ụzọ mụta diọkpara (ihu 95)
n) **Dkt Ihuọma**: Ị chọghịịma ihe gị bụ nwata (ihu 73)
o) **Eze**: { bụ dịmkpa (ihu 95)
p) **Ngọzị**: Jizọs bụ eziokwu na ndụ (ihu 32)
q) **Ọlụchi**:…Nwatakịrị ahụ bụ onye nzuzu (ihu 37)
r) **Ndị òtù**:… echiche Eze bụ ịgba (ihu 40)
s) **Ngọzị**: Ibu m niile bụ nke Chukwu (ihu 49)

Site na mbụrụ ndị a, nchọpụta gosiri na mbụrụ bụkwazi atụmatụokwu eji atụnyere ihe site n'ịkọwa na ihe **bụ,** ọ bụghị na **ọ dika.** Mbụrụ na myiri yitere onwe ha naanị ebe ọ nọ dị iche bụ na myiri na-eji **dịka** ebe mbụrụ na-eji "**bụ"**mana ọ bụghi mgbe niile ka mbụrụ na- ewepụta bụ. Ọzọkwa, mbụrụ bụ ndọgharị nghọta. Atụmatụechiche niile niile hiwere isi na mbụrụ.

**Egbeokwu**

Ndị a bụ ụfọdụ egbeokwu ndị anyị chọpụtara n'akwụkwọ ejije a bụ Ezindụ.

**iii. Nwosu:** ọ bụghị ihe eji ọnụ ekwu (ihu 104)
**iv. Ugochukwu:** ahụtabeghị m onye kwuru okwu Chukwu ka nwata ọma ahụ (ihu 15)
**v. Ugochukwu:** ụkwụ erughị m ala (ihu 15)
**vi. Ikpendu:** Ugochukwu kwụsị sịga, kedu onye ga-esezi sịga n'ụwa? (ihu 62)
**vii. Ugochukwu…** nke onye ọbụla na-ekwu maka ya (ihu 15)
**viii. Obinna…**inweta ụdịụmụaka ahụ na-esigbu onwe ya n'ike (ihu 22)
**ix. Ọlụchi…**onye ọbụla nọ na-ebe akwa maka ya (ihu 33)
**x. Ọlụch:** Nwatakịrị ahụ bu baịbụlụ niile n'isi ya (ihu 35)

xi. **Bunmi:** Chiọma na-ekechi isi mgbe ọbụla (ihu 37)
xii. **Bunmi:** Ma anyị enweghị "A" onye ga-enwe ya? (ihu 41)
xiii. **Ọlụchi:**Mụnwa nwere "A" kara aka (ihu 49)
xiv. **Ngọzị:** Mụnwa dara ya, daa ya nnọ hie nne. (ihu 49)
xv. **Eze:** Ekwela ka unu bido nkata ka unu ghara ị nọ na ya ruo elekere anọ nke ụtụtụ (ihu 95)
xvi. **Ugochukwu:** Ahụla m ihe ebe ọdị ukwuu (ihu 14)

Site n' egbeokwu ndị a, nchọpụta gosiri na egbeokwu bụ atụmatụokwu na-ekwu ihe ka obuo isi. Ọ bụ mgbe mmadụ kwuru okwu kwufe ya oke kwuo ihe enweghị ike ime eme. Site n' omụmaatụ ndị a, anyị hụtara egbeokwu ka okwu ṅara nnu, na ose makana ọmụmaatụ ndị niile ndị na- eme karịa ka atụrụ anya. Egbeokwu bụ ịgba okwu dịka egbe. Ụda okwu ahụ karịrị etu o si eme.

**Ajụjụ nzaraonwe**

1) **Ụwaọma:**ị na-ahụkwa ịdị mma nke Chineke? (ihu 96)
2) **Ụwaọma**: ị hụkwara na ndi niile ndị ahụ nwere "A" na mbụ bụcha ndị kụrụ afọ n'ala ugbu a? (ihu 96)
3) **Ọlụchi**: Kedu ihe mụ ga-agwa ndị mmadụ? (ihu 74)
4) **Ọlụchi**: Kedu anya m ji ele ndị mmadụ? (ihu 97)
5) **Ọlụchi**: Kedu ụkwụm ji eguzo n'ihu ndị mmadụ? (ihu 97)
6) **Nwosu**: Onye ka I tiri aka ntị Efe? (ihu 106)
7) **Ọlụchi**: ya nye m "A" atọ onyezi ka m bụ? (ihu 33)
8) **Ọlụchi**:…onye ka ọ ga-abụ? (ihu 41)
9) **Bunmi**: Ma anyị enweghị "A" onye ga-enwe ya? (ihu 41)
10) **Ikpendụ**: Ebee ka ị chere na ị na-aga? (ihu 46)
11) **Ngọzị**: ọ bụ etu a ka nwatakịrị a si jee? (ihu 53)
12) **Ugochukwu**: Ọkwa nke a bụ ihe òtù nzuzo butere m? (ihu 53)
13) **Ugochukwu**: Oge m ji anwụ ọ bịala? (ihu 57)

Site n' ụfọdụ ajụjụ nzara onwe ndị a, nchọpụta gosiri na ajụjụ nzaraonwe bụ atụmatụokwu na-ajụ ajụjụ mana ọsịsa ya dị n'ime ajụjụ ahụ. Mgbe ụfọdụ ajụjụ enweghị ọsịsa ọbụla na ihe a na- ajụ ajụjụ enweghị ike ikwu ụka. Imaatụ (no 11).

**Nchịkọta/Nchọpụta**

Ejije Ezindụ bụ ejije na-akwado ezi omume nke ọma. Ọ na- egosipụta na mmadụ ikwudosi ike n' ezi omume bụ mmadụ ibi ezi ndụ. Nke a mebere isiokwu ejije a ji bụrụ Ezindụ nke ndị odee zipụtara n'ilu ha jiri dee ejije ha n'ihu akwụkwọ iri na isii (page 16) n'okwu Obinna: Onye chọrọ ọlaedo na-egwumi ala nke ọma.

Imaatụ ọzọ pụtara n' ihu akwụkwọ iri na isii (page (16) gbasara Ezindụ bụ site n'okwu Ugochukwu: Akụ fecha, ọ dara awọ. Nchọpụta ọzọ ndị pụtara ihe n' ejije a na- egosipụta Ezindụ gunyere- ezi nchegharị, obi mgbaghara, okwukwe, ngaramara. Imaatụ ndị ọzọ gụnyere okwu agwaa ndị a.

**Oluchi:** O ji ọkụ egwu egwu (ihu 37 na 82).
**Eze:** Ka anyị were ire anyị gụọ eze anyị ọnụ (ihu 45).
**Ugochukwu:** Aka m na ụkwụ apụọla n'otu ahụ (ihu 59) akpaalaokwu ndị a na-egosipụta ezi nchegharị. Ezi nchegharị bụ ezindụ. Ọ bụ akpalaaokwu ndị a ka ndị odee ji gosipụta usoro ha si eme ihe nke diwagara iche n' ebe mmadụ ndị ọzọ nọ. Nke a ka ha jiri gọsịpụta na atụmatụokwu bụ nka asụsụ, ekemekeuche asụsụ arọrọarọ dị ụtọ mabụrụkwa ihe na- akpalite mmụọ ọgụụ.

Ọzọkwa, ejije a na- ezipụta n' ilu Igbo bụ okwu amamaihe na- adị omimi ma bụrụkwa nke na- ezipụta echiche na nkweye ndị Igbo banyere usoro obibi ndụ ha. Nchọpụta ọzọ gosipụtara n' ejije Ezindụ na- egosipụta n' ilu na- abụ ahịrịokwu ebe akpaalaokwu na- abụ nkebiokwu.

Nchọpụta ndị nchọcha na- egosipụta na mbụrụ na myiri bụ atụmatụokwu yiri onwe ha maka na eji ha atụnyere ihe mana ndịiche ha na- ezipụta onwe ha site n' okwu ha ji arụ ọrụ. Nchọpụta kọwara na mbụrụ ji "bụ" arụ ọrụ, ebe myiri ji "ka maọbụ dika" arụ ọrụ.

Ọzọkwa, nchọpụta na- egosipụta na egbeokwu bụ atụmatụokwu na-ekwu ihe mere ka o buo isi. Ọ na- egosipụta mgbe mmadụ kwuru okwu kwufere ya oke karịa ihe enweghị ike ime. N' ikpaezụ, nchọpụta gosipụtara na ajụjụnzaronwe bụ atụmatụokwu na- ajụ ajụjụ mana ọsịsa ya dị n' ime ajụjụ ahụ.

Na mmechi, ndị ode akwụkwọ ***Ezindụ*** bụ Mbaegbu Nnamdi Ebenezer, Christian Chukwudi Anozie, na Clara Uju Umo ji atụmatụokwu dị iche iche wee dee akwụkwọ ejije a. Ọ bụ Igbo Izugbe n'ebe o miri emi ka ha ji sụpụta ya. Ha dere ya n'ụdị na onye ọbụla bụ onye Igbo, mara kaesi agụ ihe e dere n'asụsụ Igbo ga-enwe ike gụọ ma ghọtakwa ihe ha dere nke ọma. Ya mere eji kọwaa na atụmatụokwu agụmagụ bụ asụsụ, nkaasụsụ, ekemekeuche; asụsụ rọrọ arọ, dị ụtọ ma bụrụkwa nke na-akpalite mmụọ ọgụụ. Atụmatụokwu agụmagụ anyị na-nyochara gunyere ndịa; mbụrụ, myiri, ilu, akpaalaokwu, ụkabụilu, egbeokwu wdgz. Ha bụ atụmatụokwu ndị Igbo ji achọ edemede ha mma. Ha bụ mma asụsụ Igbo.

**Edensibịa**


Akeze, C.M, Aboh, S. C., & Ugwuoke, P.E. (2021). *Ntoala Odiniigha Igbo Ọlọrọọhụrụ*. uruowulu- Pacific Publishers Ltd.

Alamba, J. O. (1995). *Ndịnaya na akanka isi kote ebu nke F.A. Ihentuge*. Arụmarụ B. A., Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naịjịria Ndị ọzọ, Mahadum Naịjịrịa.

Egudu, R. N. (1981). *Research in African literature*. University Press.

Emenyọnụ, E. (1978). *The rise of the Igbo novel*. Oxford University Press.

Ikeokwu, E. S. & Onyejekwe, M. C. (2004). *Mmalite ọmụmụ na nghọta ejije Igbo; ọdịnala na ọlorọọhụrụ.* CID JAP Press.

Lukas, J. (1955). *Grammar of the Tula language.*Afrika und Ubersee.

Mbaegbu, N. E., Anozie, C. C., & Umo, C. U. (2008). *Ezindụ*. Computer Edge Publishers.

Ndụkaụba, J. U. (2002). *Nnyocha akanka ọkpa akụ eri eri na Mmiri ọkụ eji egbu mbe*. Arụmarụ B.A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjịrịa Ndị ọzọ, Mahadum Naịjịrịa.

Ngara, E. (1982). *Stylistic criticism and the African novel*. Heinemann Educational Books Limited.

Nwadike, I. U. (1992) *Ntọala agụmagụ*. Ifunanya Publishers.

Nwadike, I. U. (1998). Igbo contemporary drama: A bibliography and classification. *Nsukka Journal of Humanities*, 9, 45-50.

Obiechina, E. N. (1990). *Language and theme: Essay on African literature*. Howard University Press.

Odada, S. E. (2016) Nyocha Akanka n' ejije Ezindụ nke mbaegbụ, NE, Anozie, C.C. & Umo, C.U. dere. *arumarụ ndi ọzọ*, Mahadụm Naijịrịa.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpolite agụmagọ ọnụ Igbo*. Snaap Press

Okoye, O. L. (2009). *Ntụzi aka maka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ na omenala Igbo nke ndị sekọndịrị nta nke abụọ*. Academic Publishing Company.

Ọrụada, U. (1987). *Nnyocha nkaasụsụ Akwa nwa*. Arụmarụ B.A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa Ndị ọzọ. Mahadum Naịjirịa

Reeves, J. (1979). *The critical sense*. Heinemann.

Ụba, A. (1991). *Nnyocha akparamaagwa, nkaasụsụ na ọrụnka Onye kpaa nkụ ahụhụ*. Arụmarụ B.A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị ọzọ, Mahadum Naịjirịa.

Ụzọchukwu, S. (2012). *Akanka na nnyocha agụmagụ Igbo*. Pacific Publishers Limited.